# 3 Jọn

1 Ọ bụ okenye ahụ,

Na-edegara Gaiọs, onye ahụrụ n’anya akwụkwọ a, bụ onye m hụrụ n’anya n’eziokwu.

2 Onye m hụrụ n’anya, ekpere m bụ na ahụ
ga-esi gị ike, ka ihe na-agara gị nke ọma, dịka
ọ na-agara mkpụrụobi gị nke ọma. 3 Aṅụrịrị
m ọṅụ nke ukwu, mgbe ụfọdụ ụmụnna bịara
gbaa ama banyere ikwesi ntụkwasị obi gị nye
eziokwu, na otu i si nọgide na-agbaso eziokwu
ahụ. 4 O nweghị ihe na-enye m ọṅụ karịa ịnụ na
ụmụ m na-agbaso eziokwu.

### *Gaiọs rụziri ọrụ ya*

5 Onye m hụrụ n’anya, i kwesiri ntụkwasị obi
n’ihe ọbụla nke ị na-emere ụmụnna, ọ bụ ezie na
ha bụ ọbịa nye gị. 6 Ha akọọlara nzukọ banyere
ịhụnanya gị. Biko, mgbe ha na-apụ, nyekwara
ha aka n’ije ha n’ụzọ ga-enye Chineke otuto. 7 Ọ
bụ n’ihi aha* ahụ ka ha biliri ije, na-anaraghị
enyemaka ọbụla site n’aka ndị na-ekweghị ekwe.
8 Nke a mere o ji kwesi ekwesi na anyị ga-elekọta
ndị dị otu a anya ka anyị bụrụ ndị so ha na-
ejikọta aka n’otu n’ọrụ eziokwu ahụ.

### *Esokwala nzọ ụkwụ Diotrefis*

* **1:7** 1:7 Aha a na-ekwu banyere ya bụ Kraịst.

9 Edere m akwụkwọ ozi zigara nzukọ ahụ,
ma Diotrefis onye ọ na-atọ ụtọ ịbụ onye mbụ,
anabataghị anyị nke ọma. 10 Ya mere, ọ bụrụ
na m abịa, aga m eme ka ihe niile ọ na-eme na
ọtụtụ ihe niile ọ na-ekwu megide anyị pụta ìhè.
Ọ bụghị naanị na afọ ejughi ya n'ihi ihe ndị a
niile, ọ jụrụ ịnabata ndị ụmụnna, ma na-egbochi
ndị ọzọ chọrọ ịnabata ha ka ha ghara ime otu
ahụ. Ọ na-achụpụkwa ha site n'ụlọ nzukọ.
11 Onye m hụrụ n'anya, eṅomila ihe dị njọ
kama ṅomie ihe dị mma. Onye ọbụla na-eme
ezi ihe na-egosi na o si na Chineke. Onye ọ
bụlakwa na-eme ajọ ihe ahụbeghị Chineke anya.
12 Onye ọbụla na-agba ezi ama banyere Dimitriọs
ọ bụladị eziokwu ahụ n'onwe ya. Anyị na-
ekwukwa ezi ihe banyere ya. Ị makwaara na ọ
bụ ezi ama ka anyị na-agba.

13 Enwere m ọtụtụ ihe m chọrọ idere gị
n'akwụkwọ, ma achọghị m iji mkpisi odee na
inki dee ha. 14 Ọ bụ olileanya m ịbịa ịhụ gị n'oge
na-adịghị anya. Mgbe ahụ anyị ga-anọdụ ala
kwuo ihe niile n'ihu n'ihu.

15 Ka udo dịrị gị.

Ndị enyi niile nọ n'ebe a na-ekele gị. Kelekwa
ndị enyi niile nọ n'ebe ahụ n'aha n'aha.

# Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

## The Holy Bible in the Igbo language of Nigeria: Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

copyright © 2020 Biblica, Inc.

Language: Igbo

Contributor: Biblica, Inc.

This work is made available under the Creative Commons Attribution-ShareAlike 4.0 International License (CC BY-SA). To view a copy of this license, visit http://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0 or send a letter to Creative Commons, PO Box 1866, Mountain View, CA 94042, USA.

Biblica® is a trademark registered by Biblica, Inc., and use of the Biblica® trademark requires the written permission of Biblica, Inc. Under the terms of the CC BY-SA license, you may copy and redistribute this unmodified work as long as you keep the Biblica® trademark intact. If you modify a copy or translate this work, thereby creating a derivative work, you must remove the Biblica® trademark. On the derivative work, you must indicate what changes you have made and attribute the work as follows: "The original work by Biblica, Inc. is available for free at www.biblica.com and open.bible."

Notice of copyright must appear on the title or copyright page of the work as follows:

Biblica® Baịbụlụ Nsọ n'Igbo Ndị Ugbu a nke dịrị onye ọbụla ịgụ

Ndị Biblica, Inc. degharịrị ya n'afọ © 1980, 1988, 2019, 2020

Biblica® Open Igbo Contemporary Bible™

Copyright © 1980, 1988, 2019, 2020 by Biblica, Inc.

"Biblica" bụ akara e ji mara ụlọ ọrụ a, nke edebanyere dịka iwu si kwado n'ụlọ ọrụ dị n'obodo United States, ebe a na-enye akara a na ikike maka azụm ahịa ndị Biblica, Inc. Ọ bụ ha ka e nyere ikike idenye ya.

"Biblica" is a trademark registered in the United States Patent and Trademark Office by Biblica, Inc. Used with permission.

You must also make your derivative work available under the same license (CC BY-SA).

If you would like to notify Biblica, Inc. regarding your translation of this work, please contact us at https://open.bible/contact-us.

This translation is made available to you under the terms of the Creative Commons Attribution Share-Alike license 4.0.

You have permission to share and redistribute this Bible translation in any format and to make reasonable revisions and adaptations of this translation, provided that:

You include the above copyright and source information.

If you make any changes to the text, you must indicate that you did so in a way that makes it clear that the original licensor is not necessarily endorsing your changes.

If you redistribute this text, you must distribute your contributions under the same license as the original.

Pictures included with Scriptures and other documents on this site are licensed just for use with those Scriptures and documents. For other uses, please contact the respective copyright owners.

Note that in addition to the rules above, revising and adapting God's Word involves a great responsibility to be true to God's Word. See Revelation 22:18-19.

2023-04-12

---

PDF generated using Haiola and XeLaTeX on 21 Feb 2024 from source files dated 13 Apr 2023

e2303256-375f-5385-8ff3-d387f2bc9c78